# MMETỤTA AGWA NDỊ NKỤZI N'ỌMỤMỤ ABụ EDEREDE IGBO N'OGO SEKỌNDỊRỊ UKWU NA ZOONU MMỤTA ENUGU, STEETI ENUGU

**Martina Chinasa Okolo**
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
E-mail: *martinachinasa79@gmail.com*
**&**
**Uchenna Fabian Ude Ph.D**
**Deparyment of Arts Education, Faculty of Education,**
**University of Nigeria Nsukka**
**E-mail: *uchenna.ude@unn,edu.ng***

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya na mmetụta agwa ndị nkụzi n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu na zoonu mmụta Enugu, Steeti Enugu. Ndị nchọcha lebara anya n'ịmata ka agwa ndị nkụzi si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. Mbunuche anọ na ajụjụ nchọcha anọ duziri ọrụ a. Ụdị nchọcha a gbasoro mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ gọọmenti nọ n'ogo sekọndịrị ukwu nke abụọ (SS2) na zoonu mmụta Enugu, Steeti Enugu ndị dị narị abụọ na iri atọ na asaa (237), nke e nwetara n'ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị pụkụ anọ, narị asaa, iri atọ na asaa (4,737). E jiri usoro nhọrọ nsere tụmbọm tụmbọm wee họpụta ndị e jiri mee nchọcha a. Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ Mmetụta Agwa ndị Nkụzi n'ọmụmụ Abụ Ederede Igbo (NMANNỌAEI) nke nwere mkpokọta anọ na ndịna iri abụọ na anọ (24). Mkpokọta ihe e nwetere n'adịmụmma ngwa nchọcha a bụ 0.99. Nke a na-egosi na adịmụmma ngwa a dabara adaba.Ndị nchọcha jiri ngwa ntụcha miin na ndịpu n'izugbe wee hazie ma tụchaa ihe ihe ọrụ e nwetere na nchọcha a. Ọkpụrụkpụ ihe a chọpụtara gosiri na mmasị ndị nkụzi, iwe ọkụ ndị nkụzi na ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi anaghị emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu ebe ịpịa ụtarị ndị nkụzi na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo. Aro a tụpụtara maka nchọcha ọdịnihu gụnyere ndị a: ụmụakwụkwọ ga-agba mbọ na-esonye n'ihe ọmụmụ abụ nke ọma n'agbanyeghị agwa ndị nkụzi ha ebe ndị nkụzi ga-agba mbọ na-akpa ezigbo agwa nke ụmụakwụkwọ ga na-eṅomi nke ga-eme ka ha nwewe mmasị n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Asụsụ Igbo, Abụ edere Igbo, Mmasị, Agwa ndị nkụzi, Agụmagụ na ọmụmụ.

**Abstract**

This study investigated the influence of teachers' behavior on students in learning written Igbo poetry in senior secondary schools in Enugu Education Zone of Enugu State. The study was carried out using four (4) specific purposes with four (4) corresponding research questions. Descriptive survey research design was adopted in the study. The total population of SS II

students used for the study was four thousand seven hundred and thirty-seven (4,737) from public schools in Enugu Education Zone. A sample size of two hundred and thirty-seven (237) students was drawn from the above total population. The sample population was drawn by using simple random sampling technique. The instrument used for data collection was Influence of Teachers' Behaviour in Learning Written Igbo Poetry Questionnaire (ITBLWIPQ) which was developed by the researchers. The instrument has four sections corresponding with the four research questions. It has twenty-four (24) items. The reliability index was 0.99 which showed that the instrument was appropriate for the study. The researchers used mean and standard deviation as statistical instrument to analyze the data. The findings of the study showed that teachers' interest, hot-temperedness, and drunkenness do not influence students in learning written Igbo poetry in senior secondary schools while over-flogging of students by teachers influence students. Recommendations were made by the researchers which include; students should try to get involved in the learning of written Igbo poetry not minding teachers' behaviour while the teachers should make effort to behave well as models to the students who in turn have interest in learning written Igbo poetry.

**Key Words:** Igbo language, Written Igbo poetry, Interest, Teachers' behaviour, Literature and omumu

**Mkpọlite**

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta ma bụrụkwa ihe dị mkpa na ndụ mmadụ. Ọ dịghị ihe nwere isi maọbụ ihe dịka ezigbo mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya ma ọ bụrụ na e nweghị ihe dịka asụsụ. Agha (2016) kọwara na asụsụ bụ ụzọ mmadụ si egosipụta ebumnuche ya, ma bụrụkwazị ụzọ mmadụ si ekwupụta ma na-akọwa echiche obi ya. Mmadụ na-esite n'ụzọ dị otu a egosipụta echiche Obi ya, mmetụta o nwere n'ebe mmadụ ibe ya nọ, ịhụnanya ọ hụrụ n'ebe mmadụ ibe ya nọ, ihe o chere, ihe na-amasị ya na ihe anaghị amasị ya.

Mmadụ Chukwu kere eke agaghị enwe ike ịghọta onwe ha maọbụ nwee ezigbo mkparịtaụka n'ụzọ doro anya ma ọ bụrụ na e nweghị ihe dịka asụsụ n'ụwa. Ofomata (2015) kọwara na asụsụ bụ ihe mbụ e ji amata obodo maọbụ mba mmadụ siri pụta. Ọ kọwakwara na ọ bụ site n'asụsụ mmadụ sụrụ ka e ji amata ebe onye ahụ si nakwa onye ọ bụ maọbụ onye Awụsa, Yoruba maọbụ Igbo. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ bụ njirimara mba maọbụ agbụrụ. Dịka ọ dị n'ala Naịjirịa, ebe e nwere agbụrụ dị iche iche, agbụrụ ndị a nwegasịrị asụsụ e ji mara ha dịka asụsụ Tiv, Ibibio, Efik, Awụsa, Yoruba, Igbo na ọtụtụ asụsụ ndị ọzọ dị iche iche.

A na-asụ asụsụ Igbo na steeti ise dị na mpaghara ndịda Ọwụwa Anyanwụ nke Naịjirịa, ha gụnyere: Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. A ga-ahụkwa ebe ndị ọzọ a na-asụ asụsụ Igbo dịka Akwa Ibom, Bayelsa, Benue, Delta, Kogi na Rivers.Asụsụ Igbo bidoro mgbe ndị Igbo. E nwere ọtụtụ ngalaba dị iche iche n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha gụnyere: ụtọasụsụ, Agụmagụ, Edemede, Omenaala na Ewumewu. A bịa na ngalaba ndị a niile, ọ bụ agụmagụ ka onye nchọcha họọrọ ime nchọcha ya n'ihi na ọ chọpụtara na ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị na ngalaba agụmagụ.

Agụmagụ bụ ihe ọmụmụ dị ọkpụtọrọkpụ nke sitere n'aka ndị nna nna anyị ha wee ruo n'oge ugbu a. Ọ bụ ọrụ nka nke mmadụ na-esite na ya ezipụta echiche ya. Mba dị iche iche nwere agụmagụ nke ha nke ha na esite na ya egosipụta usoro obibi ndụ ha maọbụ nkwenye ha. Agụmagụ bụ echiche miri emi nke mmadụ chepụtara ma were okwu nka dị iche iche depụta

maọbụ kọwapụta iji kpalite mmụọ ndị mmadụ (Okoye, 2012). Agụmagụ dịka Okafo, Osuji na ụwakwe (2014) si kwadọ bụ ihe ndị ahụ e chepụtara ma were asụsụ nka maọbụ okwu nka sitere n'ekwumekwu maọbụ n'edemede kọwapụta iji zipụta ịma mma ọdịnaala na nkwenye ndị, ihe niile gbasara ndụ n'ụwa a maọbụ n'ụwa ọzọ, ihe nwere ike ime na ihe enweghị ike ime eme, ihe a na-ahụ anya na ihe anaghị ahụ anya.

Abụ ederede Igbo bụ echiche miri emi nke odee jiri okwu nka a piri aka wee depụta. Ihe nke a pụtara bụ na asụsụ abụ abụghị ihe dị mfe nghọta, kama onye na-agụ ya ga-echemi echiche ime tupu ọ ghọta ihe abụ ahụ na-akọ maka ya. Abụ maọbụ egwụ bụ agụmagụ ugbu a na-egosi ka ọnọdụ siri dịrị mmadụ mgbe a na-agụ ya. Ọnọdụ ahụ nwere ike bụrụ ọnọdụ iwe maọbụ ọnọdụ ọṅụ (Okafo, Osuji na ụwakwe, 2014). Abụ ederede Igbo dịka otu n'ime ngalaba agụmagụ ederede Igbo bụ ihe ndị odee si n'echiche miri emi chepụta ma jiri asụsụ enweghị atụ dee n'ụzọ dị mkpirisi nke na-egosipụta ihe mere eme maọbụ ihe emeghị eme. E nwere ọtụtụ ngalaba maọbụ ụdị abụ ederede Igbo dị iche iche nke gụnyere: abụ otito, abụ ekere, abụ ikpe, abụ akwa arịrị, abụ ntọaja, abụ nwa, abụ echiche miriemi, abụ ịhụnanya, abụ nkụzi na ndị ọzọ dị iche iche. Ozi sitere n'aka Ndịisi Ule 'West African Examinations Council (WAEC)' (2016; 2017; 2019; 2021; 2023) kọwara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị ịza ajụjụ gbasara agụmagụ n'ule SSSCE, ọ kachasị abụ nke bụkwa otu ngalaba e nwere n'agụmagụ Igbo. Ebe ndị nke zara ya aza anaghị eme nke ọma, nke gosiri na o nweghị ihe ha maara gbasara akwụkwọ ndị ahụ a họpụtara ka ha gụọ. Nkọwa ndị a gọsipụtara nhịa ahụ ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. N'agbanyeghị mbọ niile ndị nchọcha, ndị na-ahụ maka mmụta nakwa ndị gọọmenti na-agba ịhụ na ọmụmụ abụ na-aga werewere site n'iwe ndị nkụzi a zụrụ nke ọma n'asụsụ Igbo, ndị nchọcha na-eche na agwa ndị nkụzi nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Agwa bụ omume mmadụ mere eme nke e nwere ike ịnabata n'obodo maọbụ nke a agaghị anabata n'obodo. Ọ bụkwa usoro mmadụ si ebi ndụ ya. Agwa maọbụ akparamagwa bụ omume e mere eme maọbụ nke e kwuruekwu (Mba, Mba, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi, na Odii, 2013). Ọ dị ụzọ dị iche iche ndị nkụzi si ebi ndụ maọbụ egosipụta agwa ha, ha gụnyere: mmasị ndị nkụzi, iwe ọkụ, ịnụbiga mmanya oke, ịpịa ụtarị, agbamume ndị nkụzi. Agwa ndị nkụzi na-akpa na klaasị nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị maọbụ ghara inwe mmasị n'ihe gbasara ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Mmasị bụ mkpalite dị n'ime mmadụ nke na-eduba onye ahụ n'ịbagide ọrụ ma nọgidesie ike n'ịrụ ya bụ ọrụ ganye na o nweta mpụtara sitere n'ọrụ ahụ. Mmasị bụkwa mkpọlite ime mmụọ mmadụ nwere n'ebe ịrụ ọrụ maọbụ inwe mkpebi n'ihe dị (Udensi, 2015). Mmasị dị ezigbo mkpa na nkụzi na ọmụmụ n'ihi na ọ na-eme ka ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ dị njikere ma dị uchu n'ihe ha chọrọ ịbagide. Onye nkụzi enweghị mmasị na nkụzi ya, anaghị adị uchu n'ọrụ ya. Ọ naghị echu ya ụra nke o ji enwe mmasị ịga kụzie ihe mgbe oge ya ruru. Allison (2015) hụtara mmasị dịka ihe na-ebulite mmụọ ime ka mmadụ gee ntị nke ọma, ọ bụkwa nke na-eme ka e chemie echiche nwee nghọta ma cheta ihe dị mkpa mgbe ọbụla a ga-akụzie ihe. E wezuga mmasị, ihe ọzọ nwere ike ịmetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ abụ ederede Igbo bụ iwe ọkụ. Iwe ọkụ bụ mgbe mmadụ were iwe wefere ya oke. N'ịga n'ihu, iwe ọkụ nke onye nkụzi nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị maọbụ ghara inwe mmasị n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. Mgbe onye nkụzi bụ onye iwe ọkụ, o nwere ike ime ya ka ọ na-agbọ ụmụakwụkwọ ụja. Zbeng na Zhan (2022) kọwara na iwe ọkụ nwere ike ịmetụta ụfọdụ ụmụakwụkwọ n'ụzọ jọrọ njọ maọbụ n'ụzọ dị mma n'ọmụmụ akwụkwọ ha mgbe ọbụla. Ihe ọzọ nwekwara ike ịmetụta

mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ abụ ederede Igbo bụ ịṅụbiga mmanya oke.

Ịṅụbiga mmanya oke bụ agbamonwe ọzọ nwere ike imetụta nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo. Ịṅụbiga mmanya oke bụ mgbe mmadụ ṅụrụ manya na-aba n'anya karị ka isi ya ga-ebunwu. Nke a nwere ike ime ka onye ahụ na egosipụta akparamagwa dị iche iche na-abụghị ihe o nwere ike iji uche ya na-eme. Davis na Graham (2023) site na nchọcha ha mere, kọwara na ịṅụbiga mmanya oke na-akpalitekarị iwe ọkụ. Ha kọwakwara na nke a na-adịkarị ire n'ebe ụmụnwoke nọ. Nke a nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ ghara inwe mmasị n'ihe ọmụmụ abụ ederede Igbo ebe ụfọdụ ụmụakwụkwọ ga na-enwe mmasị ịnọ na klaasi ebe ọ na-akụzi ihe iji ya mere ihe ọchị bụ nke na-enye ha obi aṅụrị. Ịpịa ụtarị bụkwa ihe agbamonwe ọzọ nwere ike ịmetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Ịpịa ụtarị bụ ntaramahụhụ mmadụ na-enye mmadụ site n'iji osisi maọbụ ihe ọzọ pịa onye ahụ n'ihi emeghị maọbụ emetaghị ihe a tụrụ anya n'aka ya ka omee.ọ bụ mgbe mmadụ dara iwu ka e nwere ike iji ụtarị pịa ya. Ịpịa ụtarị bụ otu n'ime ụzọ ntaramahụhụ a na-enye onye dara iwu site n'iji ụtarị maọbụ ihe ndị ọzọ dị iche iche tie ya (American Psychological Associaton, 2022). Ha kọwakwara na ọ bụ ịpịa ụtarị ka ọtụtụ mba dị iche iche ji enye ndị nupụrụ isi n'obodo ntaramahụhụ. Onye nchọcha hụtakwara ịpịa ụtarị dịka mgbe mmadụ ji osisi maọbụ ihe ndị ọzọ were na-apịa mmadụ. A bịakwa n'ụlọakwụkwọ, ọ bụkwa ụtarị ka ndị nkụzi jikwa adọ ụmụakwụkwọ ndị na-ada iwu ụlọakwụkwọ aka na ntị. Mana mgbe onye nkụzi pịawara ụmụakwụkwọ ihe karịa, nke a nwere ike itinye mmụọ ụjọ n'ime ụfọdụ ụmụakwụkwọ, nke ga-emekwa ka ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-atụ ụjọ mgbe ọbụla ha hụrụ onye nkụzi ahụ. Nke a nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Ụfọdụ ndị nchọcha emeela nchọcha yitere nke a. Chineke (2019) mere nchọcha n'adịmire usoro nkụzi mmekọrịta n'ịkwalite mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'ọmụmụ abụ ederede Igbo na zoonu mmụta Nsụkka dị na steeti Enugu. Onye nchọcha chọpụtara na usoro nkụzi mmekọrịta nwere mmetụta pụtara ihe na mmasị na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Abonyi (2018) mere nchọcha n'isiokwu a bụ Ọnọdụ nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ụlọakwụkwọ sinịọ sekọndịrị na mpaghara Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Ihe ọ chọpụtara gosiri na e nweghị ngwa nkụzi e ji akụziri ụmụakwụkwọ abụ ederede Igbo, ndị nkụzi anaghị eji ngwa nkụzi mgbe ha na-akụzi abụ ederede Igbo.

Nnyigide (2015) mere nchọcha nke isiokwu ya bụ abụ Ekerechi Edemede Igbo: Nnyocha site n'Atụtụ kegburugburu. Ebumnuche nchọcha a bụ ka a chọpụta ma o nwere mmekọrịta dị n'etiti agụmagụ Igbo, ọkachasị abụ ederede Igbo, ekerechi mmadụ na gburugburu ya.

**Nsogbu Nchọcha**

Agụmagụ ederede bụ otụ alaka n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbọ a na-akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ala Naịjirịa. Abụ bụ otu ngalaba na ya nke a tụrụ anya na nwataakwụkwọ ọbụla na-amụ maka asụsụ Igbo ga-enwe mmụta banyere ya. Ka osiladị, ndị nchọcha dịka ndị nkụzi hụtara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ sekọndiri ukwu anaghị enwe mmasị n'ọmụmụ abụ. N'otu aka ahụ Ndịisi Ule 'West African Examinations Council (WAEC)' (2016; 2017; 2019; 2021; 2023) kọwara na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị ịza ajụjụ gbasara agụmagụ n'ule SSSCE, nke abụ bụkwa otu ngalaba e nwere n'agụmagụ Igbo. Ndị nchọcha na- eche na agwa ndị nkụzi nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ sonyesie ịke n'ihe a na-eme na klassị nke ga-enye aka n'ibelata

maọbụ kpochapu nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ọmụmụ abụ. Ọ bụ ya ka nsogbu nchọcha a jiri bụrụ mmetụta agwa ndị nkụzi n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta agwa ndị nkụzi n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu na zoonu mmụta Enugu, steeti Enugu. Nchọcha a lebara anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

1. Ịchọpụta etu mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo seọndịrị ukwu na zoonu mmụta Enugu.
2. Ịchọpụta etu iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.
3. Ịmata etu ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.
4. Ileba anya ka ịpịa ụtarị ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Ajụjụ Nchọcha**

1. Kedu etu mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?
2. Kedu etu iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?
3. Olee etu ịṅụbiga mmanya oke nke ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?
4. Kedu ka ịpịa ụtarị ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'sel ̣ dịrị ukwu?

**Atụtụ Mmụgharị**

**Atụtụ Ọmụmụ Mmekọrịta Mmadụ na Ibe ya (Bandura,1967)**

Ọ bụ Albert Bandura (1967) tụpụtara atụtụ a. Ọ kọwara na ọ bụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya ka nwata si amụta ihe dị mma maọbụ ihe dị njọ. Atụtụ a kwenyere na ọmụmụ nlere anya na-adị ire ma ọbụrụ na agwa ahụ bụ ezigbo agwa maọbụ ajọ agwa nye onye nnomi. O kwenyere na ọ bụ mgbe mmadụ tinyere uchu na mmasị n'ihe ọ na-eme ka ọ na eji ezipụta agwa dị mma nnomi ma mgbe mmadụ na-etinyeghị uchu na mmasi n'ihe ọ na-eme ka ọ na eji ezipụta agwa a dịghị mma. Nke a na-egosi na ọ bụghị agwa niile mmadụ na-akpa ka a na-amụta ihe dị mma na ya, e nwekwara nke a na amụta ihe dị njọ. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ na-enomi agwa ndị nkụzi ha na ihe ọbụla ha hụrụ ndị gbara ha gburugburu na-eme. ọ bụrụ na onye nkụzi abụ na egosipụta mmasi o nwere n'ebe nkụzi abụ ederede Igbo dị, ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ ṅomie ụdị agwa ahụ, ma si otu a gosiwe mmasị n'omụmụ abụ ederede Igbo.

**Usoro**

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke Sọvee nkọwa. Sọvee bụ ụdị nchọcha na-ahụ maka ntụle echiche ọhanaeze, nkwenye, omume maọbụ agwa na agbamume ha site n'iwere ajụjụ nke ederede dịka ihe e ji emekọta data (Nworgu, 2015). Nka nchọcha a bụ sọvee nkọwa dị oke mkpa ma kwesikwa ekwesi maka nchọcha a bụ mmetụta agwa ndị nkụzi n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu na zoonu mmụta Enugu na steeti Enugu. Ebe ndị nchọcha

nọrọ mee nchọcha ya bụ na zoonu mmụta Enugu nke dị na steeti Enugu. Ihe mejụpụtara zoonu mmụta Enugu gụnyere: okpuru ọchichi Enugu East, Enugu North nakwa Isiụzọ. Ụlọkwụkwọ ndị gọọmentị dị na mpahgara a dị iri atọ na atọ (33). Ndị nchọcha jiri ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ (SS2) bụ ndị na-agụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ gọọmenti nwe, ndị ọnụọgụ ha dị puku anọ narị asaa na iri atọ na asaa (4,737) wee mee nchọcha a n'ihi na ha emeela ihe ọmụmụ n'asụsụ Igbo afọ ise ma na-abanyezi na klaasị nke ikpeazụ n'ogo sekọndịrị bụ ebe ha ga-anọ wee lee ule WAEC (Nsinweta ọnụọgụgụ a bụ na ulọ ọrụ nchịkwa sekọndịrị dị na steeti Enugu bụ *Statistical unit Post Primary School Management Board (PPSMB), 2022/2023 Session).* Ndị nchọcha seere ụmụakwụkwọ SS2 ọnụọgụgụ ha dị narị abụọ na iri atọ na asaa (237), si n'ụlọakwụkwọ iri na abụọ (12) di na zoonu mmụta Enugu site n'iji usoro nsere tụmbọm tụmbọm. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza nke isiokwu ya bụ Njụmaza Mmetụta Agwa ndị Nkụzi n'Ọmụmụ Abụ Ederede Igbo (NMANNỌAEI) bụ nke nwere ndịna iri abụọ na anọ (24) n'ime mkpokọta anọ.

Iji hụ na ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a tozuru oke maka inweta ihe ọrụ e ji mee nchọcha a, ndị nchọcha nyere ndị ọkammụta mmadụ ise ndị nọ na ngalaba edukeshọn nakwa ngalaba Igbo lingwistiks na Mahadum ala Naịjirịa dị na Nsụkka ka ha leba ya anya. Mmadụ abụọ na ngalaba mmụta nka, otu onye na ngalaba mmụta sayensi nakwa abụọ ọzọ na ngalaba lingwistiks, asụsụ Igbo na asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ Ngwa nchọcha a bụ (NMANNỌAEI) ka ndị nchọcha nyere ụmụakwụkwọ Igbo dị iri abụọ (20) na mpaghara Mmụta Nsukka ka o wee mata ogo ntụkwasiobi ya. Nke a bụ maka na Nsukka esoghi na zoonu mmụta onye nchọcha ga-eji mee nchọcha. Mgbe ndị a zachara ihe dị na ngwa nchọcha a, e lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha njatụle a na-akpọ (Cronbach's Alpha) na Bekee.Ihe e nwetara n'adịmụmma ngwa nchọcha bụ 0.99. Ndị nchọcha nyere ụmụakwụkwọ njụmaza a ka ha zaa.Ndị nchọcha mere nke a site n'iji ndị enyemaka nchọcha mmadụ isii, bụ ndị nyere ya aka kesaa njumaza a n'ụlọakwụkwọ iri na abụọ(12) dị na zoonu mmụta Enugu, steeti Enugu bụ ndị ha ji mee nchọcha a. Ndị nchọcha ji ngwa mgbakọ na mwepu miin na ndịpụ n'izugbe hazie ma tụchaa ihe ọrụ e nwetara na nchọcha a. Ọsịsa nke ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 na-egosi ekweghi ekwe maọbụ na-anabataghị ya, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 maọbụ karịa ka a nabatara ma jiri ya rụọ ọrụ na nchọcha a.

**Nchọpụta**

**Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ:** Kedu etu mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?

**Tebul 1: Miin na ndịpụ n'izugbe gbasara etu mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

**N = 237**

| ọgụ | Ndịna | Miin | NI(SD) | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| 1 | Ndị nkụzi anaghị akụzikarị abụ ederede Igbo n'ihi na ha enweghị mmasị na ya. | 2.211 | 1.1151 | Anabataghị |
| 2 | Ịkụzi abụ ederede oge ọbụla na egosi na ndị nkụzi nwere mmasị n'ịkụzi ya. | 3.244 | 0.9738 | Anabatara |
| 3 | Ndị nkụzi anaghị enwe mmasị n'ịkụzi abụ maka na ha amaghị akụzi ya. | 2.029 | 1.0592 | Anabataghị |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **4** | Mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ mere ka m nwee mmasị n'ọmụmụ abụ. | 3.084 | 1.1205 | Anabatara |
| **5** | Ndị nkụzi anaghị abịa n'oge ịkụzi abụ ederede Igbo maka na ha ejighị ya kpọrọ ihe. | 1.936 | 1.0617 | nabataghị |
| **6** | Enweghi mmasị ndị nkụzi n'abụ ederede Igbo mere ka m ghara inwe mmasị na ya. | 2.446 | 1.1533 | Anabataghị |
| | **Mkpokọtaọnụ Miin** | **2.446** | **0.4760** | **Anabataghị** |

NI = Ndịpu n'izugbe; M = Mkpebi; EM = Ekwere m; AM =Ajụrụ m.

Site na tebul nke mbụ a dị n'elu, ihe e depụtara maka ndịna 1, 3, 5, 6 nwere miin nọ 2.211, 2.029, 1.936, 2.446 nke pụtara Anabataghị m nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na mmasị ndị nkụzi nwere n'ikụzi abụ ederede Igbo nwere metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. Ihe e depụtara maka ndịna 2 na 4 gọsiri ọsisa ụmụakwụkwọ nke nwere miin bụ 3.244 na 3.084 nke pụtara Anabatara m nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndiri ukwu nabatara na mmasị ndị nkụzi nwere n'ikụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu ebe ọ bụ na miin eji ekpebi ya bụ 2.50. Etu osiladị, mkpokọtaọnụ miin e nwetere bụ 2.446 bụ nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọdịrị ukwu anabataghị na mmasị ndị nkụzi nwere n'ikụzi abụ ederede Igbo nwere metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ:** Kedu etu iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?

**Tebul 2: Miin na ndịpụ n'izugbe gbasara etu iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

**N=237**

| **ọgụ** | **Ndịna** | **Miin** | **NI(SD)** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|
| 7 | Ọ bụrụ na onye nkụzi na-ewe iwe ọkụ, ọ na-egosipụta na-etu o si akụzi abụ. | 2.544 | 1.2329 | Anabatara |
| 8 | Mgbe onye nkụzi na-ewe iwe ọkụ, ọ na-eme ka m mụta abụ. | 1.599 | 1.0187 | Anabataghị |
| 9 | Mgbe onye nkụzi na-ewe iwe ọkụ, ọ na-eme ka egwu na-atụ m mgbe ọ na-akụzi abụ. | 3.109 | 1.0718 | Anabatara |
| 10 | Iwe ọkụ onye nkụzi na-eme ka m nwee mmasị n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. | 1.822 | 1.0746 | Anabataghị |
| 11 | Iwe ọkụ onye nkụzi na-eme ka m ghara inwe mmasị n'ọmụmụ abụ. | 2.886 | 1.1197 | Anabatara |
| 12 | Ọ na-amasị m ịnọ na klaasị mgbe onye nkụzi na-ewe iwe ọkụ. | 1.675 | 1.0616 | Anabataghị |
| | **Mkpokọtaọnụ Miin** | **2.272** | **0.5015** | **Anabataghị** |

NI = Ndịpu n'izugbe; M = Mkpebi; EM = Ekwere m; AM = Ajụrụ m.

Site na tebul abụọ a dị n'elu ebe a, ihe e depụtara maka ndịna 8,10 na 12 nwere miin 1.599, 1.822 na 1.675 nke pụtara Anabataghị m nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na iwe ọkụ ndi nkụzi abụ ederede Igbo nwere metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo

n'ogo sekọndịrị ukwu. Ihe e depụtara maka ndịna 7,9 na 11 gosiri ọsịsa ụmụakwụkwọ nke nwere miin 2.544, 3.109 na 2.886 nke pụtara Anabatara m nke gọsiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nabatara na iwe ọkụ ndị nkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu ebe ọ bụ na miin eji ekpebi ya bụ 2.50. Etu osiladị, mkpokọtaọnụ miin e nwetere bụ 2.272 bụ nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọdịrị ukwu anabataghị na iwe ọkụ ndị nkụzi abụ ederede Igbo nwere mmetụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ**: Olee etu ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?

**Tebul 3: Miin na ndịpụ n'izugbe gbasara etu ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

**N = 237**

| ọgụ | Ndịna | Miin | NI(SD) | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| **13** | Ịnụ oke mmanya na-eme ka onye nkụzi ghara ịkọwa abụ ederede nke ọma. | 2.907 | 1.2985 | Anabatara |
| **14** | Mmụọ m na-ada mba ịnọ na klassị ịmụ abụ oge ọ bụla m nụrụ isi mmanya n'ọnụ onye nkụzi m. | 2.546 | 1.2556 | Anabatara |
| **15** | Ịnụ oke mmanya bara uru n'ọmụmụ abụ maka na ọ na-enye onye nkụzi ike ikụzi abụ. | 1.464 | 0.8707 | Anabataghị |
| **16** | Ịnụ mmanya na-eme ka onye nkụzi kọwaa abụ ederede Igbo nke ọma. | 1.557 | 0.8936 | Anabataghị |
| **17** | Anaghị m aghọta ihe ọbụla onye nkụzi m na-akụzi n'abụ ma ọ bụrụ na ọ ṅụọ mmanya. | 2.708 | 1.2536 | Anabatara |
| **18** | Ana m aghọta ihe onye nkụzi m na-akụzi n'abụ ma ọ bụrụ na ọ ṅụọ mmanya . | 1.603 | 0.9582 | Anabataghị |
| | **Mkpokọtaọnụ Miin** | **2.131** | **0.5563** | **Anabataghị** |

NI = Ndịpu n'izugbe; M = Mkpebi; EM = Ekwere m; AM =Ajuru m.

Site na tebul nke atọ a dị n'elu ihe e depụtara maka ndịna 15,16,18, nwere miin 1.464, 1.557 na 1.603 nke pụtara Anabataghị m nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi n'ịkụzi abụ ederede Igbo enweghị metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. Ihe e depụtara maka ndịna 13, 14 na 17 gọsiri ọsịsa ụmụakwụkwọ nke nwere miin 2.907, 2.546 na 2.708 nke pụtara Anabatara m nke gọsiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nabatara na ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi n'ikụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu ebe ọ bụ na miin eji ekpebi ya bụ 2.50. Etu osiladị, mkpokọtaọnụ miin e nwetere bụ 2.131 bụ nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi n'ikụzi abụ ederede Igbo nwere metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Anọ:**Kedu ka ịpịa ụtarị ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu?

**Tebul 4: Miin na ndịpụ n'izugbe gbasara ka ịpịa ụtarị ndi nkụzi asụsụ Igbo si emetụta**

**ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

**N= 237**

| ọgụ | Ndịna | Miin | NI(SD) | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|
| **19** | Ana m amụta abụ ederede Igbo ọsọọsọ oge ọbụla onye nkụzi m pịara m ụtarị. | 2.185 | 1.199 | Anabataghị |
| **20** | Ịpịa ụtarị onye nkụzi na-eme ka ụjọ na-atụ m oge ọbụla a na-eme ọmụmụ abụ. | 3.033 | 1.1118 | Anabatara |
| **21** | Ana m esi na klaasị pụọ oge ọbụla onye nkụzi batara ikụzi abụ maka na ọ ga-apịa m ụtarị ma ọ bụrụ na m azataghị ajụjụ. | 2.519 | 1.1665 | Anabatara |
| **22** | Onye nkụzi ịpịa ụtarị na-eme ka m gee ntị nke ọma mgbe a na-amụ abụ ederede Igbo. | 2.447 | 1.2395 | Anabataghị |
| **23** | Onye nkụzi ịpịa ụtarị na-eme ka m ghara igee ntị nke ọma oge a na-amụ abụ ederede. | 2.476 | 1.1592 | Anabataghị |
| **24** | Anaghị m amụta abụ ederede Igbo ọsọọsọ oge ọbụla onye nkụzi m pịara m ụtarị | 2.696 | 1.2005 | Anabatara |
| | **Mkpokọtaọnụ Miin** | **2.559** | **0.4816** | **Anabatara** |

NI = Ndịpu n'izugbe; M = Mkpebi; EM = Ekwere m ; AM =Ajuru m.

Site na tebul nke anọ a dị n'elu ihe e depụtara maka ndịna 19, 22 na 23 nwere miin 2.185, 2447 na 2.476 nke pụtara Anabataghị m nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na ịpịa ụtarị ndi nkụzi abụ ederede Igbo nwere metụta n'ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. Ihe e depụtara maka ndịna 20, 21 na 24, gọsiri ọsisa ụmụakwụkwọ nke nwere miin 3.033, 2.519 na 2.696 nke pụtara anabatara m nke gọsiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nabatara na ịpịa ụtarị ndị nkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu ebe ọ bụ na miin eji ekpebi ya bụ 2.50. Etu osiladị, mkpokọtaọnụ miin e nwetere bụ 2.559 bụ nke gosiri na ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nabatara na ịpịa ụtarị ndị nkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Nchịkọta Nchọpụta**

Nchọcha a gosiri na:

- mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.
- iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.
- ịńụbiga mmanya oke ndị nkụzi asụsụ Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.
- ịpịa ụtarị ndị nkụzi asụsụ Igbo na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.

**Mkparịtaụka**

**Etu mmasị ndị nkụzi nwere n'ịkụzi abụ ederede Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ụmụakwụkwọ anabataghị na mmasị ndị nkụzi na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. A hụtara nke a site n'ihe e nwetara na tebul nke mbụ. N'uche ọtụtụ ụmụakwụkwọ, onye nkụzi ha na-abịa n'oge ikụzi abụ ederede Igbo, dịkwa uchu n'ọrụ ya ma marakwa ihe ọ na-akụzi nke ọma.

Ka osiladị, ihe e nwetara na nchọcha a adabaghị na nchọcha emerela na mbụ dịka Chineke (2019). Chineke(2019) chọpụtara na usoro nkụzi mmekọrịtan nwere mmetụta pụtara ihe na mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.

**Etu iwe ọkụ ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu .**

Nchọpụta e nwetere na nchọcha a gosiri na ụmụakwụkwọ anabataghị na iwe ọkụ ndị nkụzi na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. A hụtara nke a site n'ihe e nwetara na tebul nke abụọ. N'uche ọtụtụ ụmụakwụkwọ onye nkụzi ha na agba mbọ ijikwa iwe ọkụ ya mgbe ọ na akụziri ha ihe.

Ihe e nwetara na nchọcha a dabara n'ihe Zbeng na Zhan, (2022) kọwara na iwe ọkụ nwere ike ịmetụta ụfọdụ ụmụakwụkwọ n'ụzọ jọrọ njọ maọbụ n'ụzọ dị mma n'ọmụmụ akwụkwọ ha mgbe ọbụla. Mgbe onye nkụzi na-ezipụta iwe ya karịa etu o kwesiri n'ebe ụmụakwụkwọ nọ, o nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ ahụ ghara inwe mmasị maọbụ nwee mmasị n'ebe ọmụmụ abụ dị.

**Etu ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

Ihe ọzọ a chọpụtara na nchọcha a gosiri na ọtụtụ ụmụakwụkwọ anabataghị na ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu. A hụtara nke a site n'ihe e nwetara na tebul nke atọ. N'uche ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-agbanyeghi ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi ha, na nke a anaghị eme ka ha ghara inwe mmasi n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. N'uche ha, ha hụtara na ịṅụbiga mmanya oke ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na-enye ha ike ikụzi abụ ederede Igbo nke ọma.Ihe e nwetara na nchọcha a ka Davis na Graham (2023) site na nchọcha ha mere, kọwara na ịnụbiga mmanya oke na-akpalitekarị oke iwe ọkụ. Ha kọwakwara na nke a na-adịkarị ire n'ebe ụmụnwoke nọ.

**Ka ịpịa ụtarị ndị nkụzi asụsụ Igbo si emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ogo sekọndịrị ukwu.**

Nchọpụta e mere na nchọcha a, gosiri na ọtụtụ ụmụakwụkwọ nabatara na ịpịa ụtara ndị nkụzi na-emetụta ọmụmụ abụ ederede Igbo. A hụtara nke a site n'ihe e nwetara na tebul nke anọ. Nke a pụtara na onye nkụzi ịpịa ụmụakwụkwọ ụtarị, nwere ihe ọ na-arụ n'ọmụmụ ha, nke nwere ike imetụta amamihe na nghọta ha. Nke nwere ike bụrụ na ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-amụta ihe ọsọsọ mgbe ọbụla onye nkụzi pịara ha ụtarị, ha anaghịkwa esi na klaasị pụọ mgbe onye nkụzi bịara ikụzi abụ ederede Igbo. N'uche ha, ịpịa ụtari onye nkụzi na-eme ka ụmụakwụkwọ dị gara gara ma na-esonye n'ihe ọmụmụ abụ ederede Igbo.

Ịpịa ụtarị bụ otu n'ime ụzọ ntaramahụhụ a na-enye onye dara iwu site n'iji ụtarị maọbụ ihe ndị ọzọ dị iche iche tie onye ahụ (American Psychological Associaton, 2022). Ha kọwakwara na ọ bụ ịpịa ụtarị ka ọtụtụ mba dị iche iche ji enye ndị nupụrụ isi n'obodo ntaramahụhụ. Ha gara n'ihu kọwa na o nwere ike itenye mmụọ egwu, obi mmapụ, iwe n'ime

ụfọdụ ụmụakwụkwọ.

**Mmechi na ntụnye aro**

Site n'ihe a chọpụtara na nchọcha a, ihe ndị a bụ mkpebi e nwere. Ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu anabataghị na mmasi, iwe ọkụ na ịṅụbiga mmanya oke ndị nkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ha n'ọmụmụ abụ ederede Igbo ebe ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu nabatara na ịpịa ụtarị na agbamume ndị nkụzi abụ ederede Igbo na-emetụta ha n'ọmụmụ abụ ederede Igbo. Site na nchọpụta na mpụtara e nwere na nchọcha a, ndị nchọcha tụrụ aro ndị a :

1. Ka ụmụakwụkwọ agbaa mbọ na-esonye n'ihe ọmụmụ abụ nke ọma.
2. Ka ndị nkụzi gbaa mbọ na-akpa ezigbo agwa nke ụmụaka ga-eṅomi nke ga-eme ka ha nwewe mmasị n'ọmụmụ abụ ederede Igbo.
3. Ka ndị isi ụlọakwụkwọ na-agbakwazị mbọ ịmata mkpa ọ dị ime ka ndị nkụzi na-akpaso ụmụakwụkwọ ezigbo agwa
4. Ka ndị nkụzi belata oke iwe ọkụ na ịpịa ụtarị n' ihi na ọ bụghi naanị n'ụzọ ahụ ka e si azụlite ụmụaka.

## Nrụaka


Abonyi, A. N. (2018). *Ọnọdụ nkụzi na ọmụmụ abụ ederede Igbo n'ụlọ akwụkwọ sịnịọ sekọndịrị dị na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjịrịa.* Arụmarụ maka nzere Ph.D, mahadum nke Naịjịrịa Nsukka.

Agha, A. (2016). *Language between description and prescribtion: verb categories in nine languages*. In W. U. Dressler and M.E. Austerlitz (Eds.), The world of language (pp.1-31). Berlin: De Gruyter Mouton.

Allison, L. M. (2015). *Inspiring academic confidence in classroom.* Retrieved from http://W.W.W academic confidence .org/interest.

American Psychological Association (2022). *Alcohol and teaching.* In APA dictionary of psychology (2nd ed).

Bandura, A. L. (1967). *Social Learning Theory.* New York: N. J. Prentice Hall.

Chineke, S. O. (2019). *Adịmịre usoro nkụzi mmekọrịta na mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'abụ ederede Igbo na zoonu mmụta Nsukka nke steeti Enugu*. Nchọcha Ph.D, Mahadum nke Naịjịrịa Nsukka.

Davis, L. A. & Graham, K. (2023). Alcohol and aggression: A review of literature. *Alcohol and Alcoholism,* 58 (1), 1-12.

Mba, B. M., Mba, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O., Odii, B. C. (2013). *IGBO ADI IGBO-ENGLISH, ENGLISH-IGBO, Dictionary of linguistic and literary terms.* University of

Nigeria press Limited. bookshop /bank building compleụ, UNN Enugu, Nigeria.

Nworgu, B. G. (2015sss). *Educational research basic issues and methodololgy*. Nsukka: University Trust Publishers.

Nnyigide, N. M. (2015). *Abụ ekerechi Ederede Igbo: Nyocha Site n'Atụtụ Kegburugburu*. Nchọcha Ph.D. Nnamdi Azikiwe University Awka.

Ofomata, C. E. (2015). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị sịnịọ sekọndịrị Enugu*. Format publishers (NIG) Ltd, 84 Obiagu Road, P.O. Boụ. 729 Enugu.

Okafọ, S. N., Osuji, M. U. na ụwakwe, O. C. (2014). *Igbo Juniọ Sekọndịrị 1 N'Usoro Bezik Edukeshọn*. Elites' Commercial Agency Limited. No 105 Upper New Market Road. P.O.Boụ 8169, Onitsha.

.

Udensi, K. N. (2015). The ecology of some middle class families at Dinnea. *International journal of behavioural development,* 10(1), 377-390.

West African Examinations' Council (2016,2017,2019,2021,2023). *West African senior school certificate examination c*hief eụaminer's report.

World Health Organization. (2019). *The effect of flogging on the physical and mental health of children*. https://www.who.int

Zheng, Y. & Zhang, Y. (2022). Anger and academic achievement: A meta-analysis of slongitudinal studies. *Educational Psychology Review*, 34(2), 597-622.